# KRAIST ZỤRỤ PUKU MMADỤ ISE (5000) MA JÉÉ KWA IJÈ N'ELU ÓKÉ OSIMIRI

## Matiu 14:13-36

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 93 -- Nke Ndịetiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Jisus we biakute ha, gwa ha okwu, si, Ewerewo ike nile di n'elu-igwe na n'elu uwa nyem" (Matiu 28:18).**

**Ìgwè Mmadụ Soro**

Mgbe Jisọs nụrụ banyere ọnwụ ọjọọ nke Jọn Onyeọwụmmiri nwụrụ, Ọ chọrọ ịnọ náánị Ya, ya mere Ọ bara n'ụgbọmmiri gabiga Osimiri nke Galili ahụ baa n'ebe ọzara. Jọn Onyeọwụmmiri abụghị náánị onyearụ nke Jisọs, kama o nwere ọnọdụ dị elu nke pụrụ iche n'ịgbasa Oziọma ahụ. Ọ bụrị onyeozi nke Chineke zitere idoziri Jisọs ụzọ. O kwuru megide mmehie, ọbụná nke dị nime ndụ eze ahụ. O kwuru eziokwu ahụ mgbe ọ sịrị na o zighị ezi n'iwu nye Herod ịkpọrọ nwunye nwanne ya nwoke. N'ihi nke ahụ ka ebipụrụ isi Jọn Onyeọwụmmiri.

Jịsọs naezirị ihe náagwọ kwa ọtụtụ mmadụ, ma n'ihi akụkọ nwuta nke ọnwụ Jọn, Ọ chọrọ izuike. Ma mgbe O ruru n'ụsọ mmiri ahụ, Ọ hụrụ ìgwèmmadụ ndị soworo Ya. Ike adịghị agwụbiga Jisọs ókè nke na Ọ pụghị inyere onye ọ bụla aka. Ọ gwaghị ndị ahụ ka ha ghara iso Ya, maọbụ ka ha laa rue mgbe ha nwere ojujuafọ ma riju kwa afọ. Mgbe Ọ hụrụ ndị ahụ -- puku mmadụ ise náagụghị ndịnyom na ụmụntakịrị -- O nwere ọmiko n'arụ ha, wee malite kwa ịgwọ ndị ọrịa.

**Ilekọta Ndị  ahụ Mkpà Naakpá**

Mgbe o rubere anyasị ndị náesoụzọ Ya tụpụtara ka Jisọs zilaga ndị ahụ ka ha wee nwee ike ga n'obodo zụrụ nri. Kama ime nke ahụ Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya ka ha zụọ ndị ahụ nri, ma iheoriri niile ha nwere bụ ogbe achịcha ise na azụ abụọ. Otú ọ dị, agwara ha ka ha weta ha nye Jisọs.

N'aka Jisọs, ọbụná ihe ntà ọ bụla ka apụrụ ime ka ọ ghọọ ngọzi nye ọtụtụ mmadụ. Ọ pụrụ iwere ndụ niile na talent niile anyị, náeleghị otú ọ dị ntà wee gọzie ha ịbụrụ ngọzi nye ndịọzọ. Dịka ogbe achịcha ise ahụ n'onweha ná apụghị izu ịzụ igwèmmadụ ra otú ahụ, n'otù aka ahụ, anyị onwe anyị pụrụ ime náánị nke ntà, ma mgbe edoro ya nye Jisọs, ndụ anyị pụrụ ịghọ ọlụ ebube dị kwa otú ahụ. Ndị náesoụzọ Ya pụrụ ikwu na ọ dịghị ebe ihe ntà ahụ pụrụ iru iji zụọ ndị ahụ. Eleghịanya ị chere na talent gị dị olenaole na ọ dịghị kwa urù ha bara n'Oziọma. Ma ha bụ talent, ogbe achịcha na azụ, maọbụ ihe ntà na ihe náabụghị ihe, Jisọs pụrụ iji ha weta nsọpụrụ na otuto nye Onweya. Ọ bụ ezie na ndị náesoụzọ Ya nwere obiabụọ n'ihi otù iheoriri ahụ dị ntà, ma ha rubeere Jisọs isi. Ha amataghị ihe Jisọs gaeme, ma ha chọpụtara na Ọ pụrụ ime ihe niile. Ọ narị elekọta kwa ndị nọ ná mkpà; Ọ gwọrọ ndị ọrịa, ma site n'ụzọ dị ebube rọpụtara ha iheoriri. Dịka Ọ zụrụ ndị ahụ nọ n'agụụ n'ụbọchị ahụ, Ọ naazụ kwa ndị agụụ naagụ nime mmụọ n'ụbọchị taa.

**Ịnyawa Achịcha ahụ**

Ka ìgwè mmadụ ahụ naanọdụ n'elu ahịhịa, Jisọs weere iheoriri ahụ gọzie kwa ya, eleghịanya n'otù ụzọ ahụ OnyeKraist naarịọ Chineke ka ọ gọzie iheoriri ya tupu o rie. Jisọs wee nyawaa iheoriri ahụ n'ibe n'ibe wee nye ya ndị náesoụzọ Ya, ndị naara ya achịcha na azụ̀ ahụ nye ndị ahụ.

N'ụbọchị ahụ ndị náesoụzọ Ya nyere iheoriri náadị nwaoge ma n'ụbọchị niile náesoni ha nyere nri nke imemmụọ, n'ihi na akpọrọ ha ka ha kwusa Oziọma ahụ. Ha natara nri nke náadị nwaoge na nke imemmụọ site n'aka Jisọs. "Unu apugh ime ihe ọ bula ma Mu anọgh ya" (Jọn 15:5). Anyị naagụ na Jọn 1:14 na "Okwu ahụ we ghọ anu-aru, bú madu, O we biri n'etiti ayi;" na Jọn 6:48, Jisọs sịrị "Mu onwem bù nri nke nēnye ndu." Mgbe anyị naekwu banyere nri nke imemmụọ, anyị naekwu banyere Baịbụl, maọbụ Okwu nke Chineke. Ọtụtụ mgbe anyị naekpe ekpere ka Chineke gọzie Okwu ahụ, ma gọzi kwa onye ahụ náanyawara anyị Achịcha nke Ndụ -- onyeozi ahụ naagụpụta site na Baịbụl wee nye ndị ahụ nri nke imemmụọ nke náazụ̀ mkpụrụobi.

**Uju**

Mgbe Jisọs gọzisịrị nri ahụ, enwere ihe zuru mmadụ niile ahụ ma nwee kwa nke fọdụrụ. Ogbe achịcha ise na azụ̀ abụọ ahụ zuru gabiga ókè. Otú a ka ọ naadị ná nri nke imemmụọ -- enwere uju ya nime Baịbụl nye mmadụ niile n'oge niile. Nime ya anyị naachọpụta ihe niile dị anyị mkpà ma rapụ ụfọdụ n'ihi oge ọzọ, kwa. Onyinye nri nke imemmụọ adịghị agwụagwụ.

**Ikpéekpere  Náání̩ Ya**

Mgbe ndị mmadụ lasịrị Jisọs zipụrụ ndị náesoụzọ Ya iburu Ya ụzọ gaa n'ofe mmiri nke ọzọ. O debeworo anyị ihenlereanya ịnọ n'ekpere náánị anyị. Ọ bụrụ na Jisọs. Ọkpara Chineke, hụrụ na ọ dị Ya mkpà ikpéekpere, ọ̀ gaghị adị anyị mkpà karị na anyị na Chineke nọ ichè n'ekpere?

Ọ bụghị náánị mgbe Jisọs nwere ibuarọ̀ ka O kpere ekpere. Ọtụtụ mgbe, na n'oge dị icheiche nke ụbọchị ka Jisọs kpereekpere. Oge ụfọdụ náánị Ya naekpeekpere; n'oge ndịọzọ ndị náesoụzọ Ya na anọ nso. "O we bilie n'isi-ututu, n'ezi-abali, pua je n'ebe bu ọhia, nọ nēkpe ekpere n'ebe ahu" (Mak 1:35). "Oké ìgwè madu we nāgbakọ inu okwu-Ya, ka ewe me kwa aru ha nke nādigh nma ka ọ di ike. Ma Ya onwe-ya nēwezuga Onwe-ya n'ebe bu ọhia, nēkpe kwa ekpere" (Luk 5:15, 16). "O rue n'ubọchi ndia, na Ọ puru rigo n'ugwu ahu ikpe ekpere; Ọ we nọgide n'ogologo abali ahu nile n'ikpe ekpere nye Chineke" (Luk 6:12). N'oge ọzọ dị icheiche Jisọs kpere ekpere mgbe ọtụtụ mmadụ gbara Ya gburugburu. Mgbe awụrụ Ya mmiri O kpere ekpere (Luk 3:21). Mgbe O guzoro n'akụkụ ílì Lazarọs, O kpere ekpere (Jọn 11:41).

OnyeKraist enweghị ike ịpụ iche mgbe dum ikpeekpere, ma site n'alaala obi ya ọ naekupụ ume ekpere. Ọtụtụ oge n'ụbọchị, n'ebe ọlụ ya nime ụlọakwụkwọ, maọbụ n'ebe ọ bụla ọ nọ, OnyeKraist naelegide Onyenweanyị anya, ọ bụghị náánị n'ihi enyemaka maọbụ nchebe kama n'otuto na ekele. Oge ụfọdụ náánị ya naekpéekpere, ma n'oge ọzọ ọ naekpéekpere mgbe ya na ọtụtụ mmadụ nọ. Ùgbò òle ka ị naekpéekpere?

**Ifufe N̄agharị rị**

Mgbe ndị násoụzọ Ya naegafe osimiri ahụ, ifufe bịara, ebili mmiri wee naan̄agharị ụgbọmmiri ahụ. Jisọs matara na ha nọ n'ihe izendụ, ya mere O jekuuru ha. Otù aka ahụ, Ọ matakwara n'ụbọchị taa mgbe ndị nke Ya chọrọ Ya, Jisọs naanọ kwa n'ebe ahụ inyere ha aka.

N'oge ọzọ kwa, mgbe ndị náesoụzọ Ya naagafe Osimiri Galili jerue ala ndị Gadara (Mak 4:35-41), ebilimmiri malitere. N'oge ahụ Jisọs naararụ ụra nime ụgbọ ahụ. Mgbe ha tikuru Ya O bilie wee mee ka ebilimiri ahụ dajụọ. Ike Jisọs wee ju ha anya, ma ha akaamataghị na O nwere ike niile nke dị n'Eluigwe na n'eluụwa (Matiu 28:18). N'oge a, mgbe Jisọs naeje ijè n'elummiri, náabịaru nso ụgbọmmiri ahụ ifufe naan̄agharị, ndị náesoụzọ Ya wee jupụta n'egwù, n'ihi na ha amataghị Ya.

**Inwe Obiike**

Ọ dị oge ụfọdụ ná ndụ mmadụ mgbe ọ naatụ egwù, n'ihi na ọ mataghị Jisọs. O kwesịghị ka ndị náesoụzọ Ya tụọ egwù, n'ihi na Jisọs nọ n'ebe ahụ inyere ha aka. Taa Jisọs nọ nso inye aka, n'ihi nke a ọ dịghị mkpà na OnyeKraist gaatụ ụjọ mgbe ifufe naemegide ihe niile wee dị kwa ka o mebiwo.

Jisọs kwuru okwu nkasịobi na agbamume nye ndị náesoụzọ Ya. O mere ka ha mata Ya, ma gwa ha ka ha ghara ịtụ egwù. Enwere ụdị egwù dị icheiche. Anyị nwere egwù nke Chineke, ka anyị wee ghara ime maọbụ kwue ihe ọ bụla náagaghị atọ Chineke ụtọ, maọbụ ụdị egwù ọzọ ka ndị náesoụzọ  nwere. Ha nwere egwù nke mmadụ banyere ihe ha chere na ọ gaeme ha. Jisọs gwara ha ka ha ghara ịtụ egwù.

**Legide Jisọs Anya**

Mgbe ha matara Jisọs, Pita chọrọ ijekuru Ya ma mee kwa otú O meworo. Jisọs sịrị ya bịa, ya mere Pita si nime ụgbọmmiri ahụ pụta wee malite ijé n'elummiri ijekuru Jisọs. Mgbe niile o legidere Jisọs anya, Pita pụrụ ijéijè n'elummiri, n'ihi na Jisọs nyeere ya aka; ma mgbe ọ malitere ileanya n'ebilimmiri ahụ, ọ tụrụ egwù wee malite imikpu. Anyị matara na ọ dịghị onye pụrụ ijéijè n'elummiri n'onweya. Ma Jisọs chọrọ igosi ndị náesoụzọ Ya na anyị onweanyị kwa, na ike niile bụ nke Ya Ọ chọrọ igosi ịdịntà nke ihe mmadụ pụrụ ime ma Ya anọnyereghị ya. Ọ bụghị náánị na Jisọs pụrụ ịlụ ọlụ ebube náeme kwa ọtụtụ ihe náadịghị ka òkìkè si dị, Ọ naenyekwara ndịọzọ aka ibi ndụ náeme kwa dịka Ya.

Jisọs naakpọ onye ọ bụla ka ọ bịakute Ya ma mee kwa dịka Ọ naeme. Jisọs biri ndụ náenweghị mmehie, OnyeKraist naebi kwa ndụ karịa mmehie, dịka Jisọs mere. Mmadụ apụghị ime ya n'ike nke onweya, ma Jisọs naenye mmadụ ike ibindụ karịa mmehie. Ma ọ bụrụ na onye ahụ ewepụ anya ya n'ebe Jisọs nọ, ọ naatụfu ike ahụ, dịka Pita mere. Lee otú o sị dị mkpà OnyeKraist ilegide Jisọs anya, Onyendú na Onye mmezu nke okwukwe ya (Ndi Hibru 12:2).

Onyeiro nke mkpụrụobi anyị bú ekwensu, naagbalị ọtụtụ mgbe ịdọrọ mmadụ ka o wepụ anya n'ebe Onyenweanyị nọ. Ekwensu matara na mgbe ahụ onye ahụ gaenwe egwù ma malite kwa imikpu nime mmehie. Mmadụ gaakpachara anya n'ihe anya ya naele.

Baịbụl kwuru banyere Adam na Iv ndị biri n'Ogige ọma nke Iden, nke nwekwara mkpụrụosisi ha gaeri, náání otù osisi ka ha náagaghị emetụ mkpụrụ ya aka. Ma mgbe Iv **HỤRỤ** na osisi ahụ dị mma n'iheoriri, mgbe ahụ o nupụrụ Chineke isi wee were mkpụrụ ahụ rie (Jenesis 3:6). Atara ha ahụhụ, ha apụghị kwa ibi n'Ogige ahụ ọzọ. Ị̀ hụrụ ihe nke mere mgbe o **LEKWASỊRỊ** anya n'osisi ahụ?

N'otù oge, otù onye nime Ụmụ Israel, anaakpọ Ekan, nupụụrụ Chineke isi wee were ụfọdụ nime ákwà, ọlaọcha na ọlaedo. Ọ sịrị na mgbe ọ **HỤRỤ** ihe ndị ahụ, ọ chọrọ ha, ihe ọzọ nke soro ya bụ na ọ chịrị ha (Joshua 7:21). Enyere ya ahụhụ n'ihi mmehie ya. Ka mmadụ niile mụta ihe site ná ndịa niile wee legide anya ha n'Onyenweanyị, náeleghịanya n'ihe ụwa ọ bụla nke pụrụ igbochi okwukwe ha wee mee ka ha tụfue ihe ha nwapụtaworo ná mmekọrịta ha na Chineke.

Mgbe Pita matara na ya naemikpu, ọ kpọkuru Jisọs ka O nyere ya aka. Ngwangwa ahụ Jisọs setịpụrụ aka Ya wee zọpụta Pita. Otú a ka ọ dị kwa taa: mgbe mmadụ matara na ọ naemikpu nime mmehie na ọ gaala kwa n'iyi, ọ bụrụ na ọ kpọkue Jisọs ịnapụta ya, ngwangwa Jisọs nọ n'ebe ahụ ịnapụta ya.

Ọ bụghị náání na Jisọs zọpụtara Pita, O mekwara ka ifufe ahụ kwụsị. Ndị náesoụzọ Ya kpọkwara isiala nye Ya. Otú a ka OnyeKraist naeme mgbe Jisọs zọpụtara ya mee kwa ka ifufe nke obi ya dajụa.

Mgbe ha ruru ofé ọzọ nke mmiri ahụ ha hụrụ ndị nwere okwukwe. Ọtụtụ ndị nrịanrịa ka agwọrọ; ka ha ra metụrụ Jisọs aka emere ka ha dị ike. Ndị niile náarịa ọrịa n'anụarụ maọbụ nime mmụọ gaanata ọgwụgwọ mgbe ha ji okwukwe wee metụ Jisọs aka.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ònye bụ Jọn Onyeọwụmmiri?
2. Gịnị mere eji gbue ya?
3. Mmadụ òle dị n'igwè mmadụ ahụ?
4. Òlee otú esi zụọ ha?
5. Gịnị mere Jisọs ji chọọ ịnọ náání Ya?
6. Gịnị mere Pita ji mikpue nime mmiri ahụ?
7. Òlee otú esi nápụta Pita n'imikpu nime mmiri ahụ?